NWANGWII PUO EZE YA ATAGBUO ONYE ZỤRỤ YA

Ọtụtụ mgbe n'ebe nile a na-ekwu na a zụchaa nwangwii ya nweta aka ojuju ya echefuo onye zụrụ ya. Ma egwuregwu a na-egosị na imegbu nwangwii site n'ikwu na nwangwii puo eze ya atagbuo onye zụrụ ya adịghị mma.

Egwuregwu a na-egosikwanụ na ụwa na mmadụ nile abụghi otu. Ọ ka mma imezi nwangwii karia imezi nwata n'ihu nne ya ma chie ya mmiri e ji kwọ aka mgbe nne ya anọghị ya.



*MAZI B. I. N. OSUAGWU*

## MAKA ONYE DERE EGWUREGWU A

A mụrụ Mazị Betram Iwunwa Nkemgemedi Osuagwu n'Eziome Mbieri nke nọ nso Owerri. O jere akwụkwọ na Central School Egbu, Central School Orogwe na Central School Mbieri, St. Augustine's Grammar School, Nkwerre, St. John's College, Diobu, Port-Harcourt na University of Nigeria, Nsukka. Ọ pụtara n'afọ 1965.

Mazị Osuagwu bidoro Ngalamba mbụ zuru ezu na Nigeria nile bụ ebe a na-amụ Asụsụ na Omenala Igbo n'ụlọ akwụkwọ dị elu nke nọ n'Alvan Ikoku College of Education, Owerri (1974). Ọ na-akụzikwa ebe ahụ.

Mazị Osuagwu bụ Odekọ akwụkwọ ego nke otu Iwenite Asụsụ na Omenala Igbo nke Nigeria.

Mazị Osuagwu ahụla maka idezi ọtụtụ akwụkwọ mbipụta dị iche iche tinyere:

MBIERI CHRONICLE (1965), EGBU STAR (1966) IGBO GA-ADI (1975-77) Akwụkwọ ya ndị ọzọ bụ Ọgụgụ Igbo 3-6 nke ya na S. Ahamba na Profeso Nwoga dere.

# NWA NGWII PUO EZE

NKE SI N'AKA

BERTRAM I. N. OSUAGWU

UNIVERSITY PUBLISHING COMPANY.

Frances W. Pritchett
Received from Bertram Okolo
April 29, 1989

₦4.50

# NWA NGWII PUO EZE


FREELY DONATED BY
VARSITY PRESS & BOOKSHOP
(UNIVERSITY PUBLISHING CO.
11 CENTRAL SCHOOL ROAD
ONITSHA.


NKE SI N'AKA


***BERTRAM I.N. OSUAGWU***

DEPT. OF IGBO LANG. & CULTURE
ALVAN IKOKU COLLEGE OF EDUCATION,
OWERRI, IMO STATE.



© BERTRAM I.N. OSUAGWU
1977



UNIVERSITY PUBLISHING COMPANY

1ST EDITION, 1977
2ND EDITION 1978

UNIVERSITY PUBLISHING CO.

*Printed by*

***Varsity Industrial Press Onitsha***

# EKELE

Ana m ekele nwanne m nwoke M
Ahamefula Osuagwu onye nke deburu eg
n'ụzọ ọ dị ntakịrị.

Ana m ekelekwa nwunye m Mrs. Non
onye nke so gụgharịala m ya na Miss Chi
onye kụrụ ya n'igwe.

Ana m ekelekwu onye ọ bụla nke ga-agụ

Ejikwa m aka na onye nwere ihe ọ ga-ek
aghaghị itinye ezigbo uche ya maka ọdịnih
nke a na ndị ọzọ.

B.I.N. Osuagwu

## NWA NGWII PUO EZE YA ATAGBUO ONYE ZURU YA

### NDỊ NỌ N'ẸGWUREGWU A

1. Ụwandụ — Onye mmalite egwu
2. Chukwukadibịa )
3. Nwanyịkadiya )
4. Chukwuma )
5. Amadị ) Ụmụ Nwokoro
6. Ugochi — Nwunye Chukwûma
7. Ụlụmma — Nwunye Amadị
8. Onye ngafe
9. Agadi Nwanyị
10. Adaego — Nne ukwu Ulumma na nne ochie Amadi
11. Oringaọhụrụọkụ — Onye isi mmebi, onye ara nọ n'obodo
12. Arịrịatụra Nwigbe — Nwa akwụkwọ Ụwadịegwù ha.
13. Ụwadịegwu — Nwa Chukwuma mesịrị bụrụ nwangwii
14. Holyoak — Onye nkuzi Ụwadịegwu
15. Taagboo Okeke — Onye isi ndị nkuzi ebe Ụwadịegwu kuziri nkuzi.
16. Chike na Ụwaọma — Ndị enyi Ụwadịegwu
17. Nwa akwụkwọ onye isi klasị.
18. Nwakọ na Oziọma — Ụmụ Amadị na Ụlụmma
19. Ọbịageri — Nwunye Ụwadịegwu
20. Ụmụ nwanyị
21. Ụmụ nna Amadị, Akụbụeze, Uwakwe Akunne na ndị ọzọ
22. Otu olu.

## NWA NGWII PUO EZE

Nwangwii puo eze ya atagbuo onye zụrụ ya. Nke a bụ akụkọ maka otu nwatakịrị nke nne na nna ya nwụrụ mgbe ọ dị ntakịrị ịma ndị ha bụ. Nne na nna ya nwere nnukwu nkwadobe maka ndụ na ọzụzụ nwatakịrị a. Nna ya nwere otu nwanne nwoke nke ọ tụkwasịrị obị. O nwere nchekwube na ihe nke o metaghị nke ọma n'ebe nwa ya nọ na nwanne ya nwoke a nke nwere ego nke ukwu ga-emere ya nwa ya nwoke, aha ya bụ UWADIEGWU ODINKEMERE NWOKORO. Ihe meziri ka nwata a a mụrụ n'ụzọ kwụ chịm n'ebe ego dị na ụwa ga-arazi ya ahụ.

Otu ihe dị mwute bụ na Ụwadịegwu bụ otu mkpụrụ nkwụ ọsa kpụ n'ọnụ. Mgbe nne ya dị ime nke abụọ ka nna ya kwọ ya n'ụgbọ ala ọhụụ ọma ha wee na-alọta n'ụlọ ọgwụ wee nwee nsogbu n'ụbọchị ahụ. Ihu elu igwe gbakpuru agbakpu n'ụtụtụ ahụ, mmadụ enweghị ike ịhụ ụzọ nke ọma. Okporo ụzọ na-amị amị nke mere ka ụgbọ ala ahụ kpọọ ihu na nnukwu ụgbọ ala ọzọ kwụ akwụ wee mebie nke na-enweghị mmekwata. Nwoke ahụ nwụrụ kwampịm ebe ahụ ma nwanyị ya nwụrụ mgbe oge nta gasịrị e bugara ya n'ụlọ ọgwụ.

Ụwadịegwu wee bido rawa ngwii site na mgbe ọ dị afọ anọ. Nwanne nna ya aha ya bụ Amadi Nwokoro alụbeghị nwanyị ma ọ malitere mee ngwa lụọ nwanyị. Aha nwunye ya bụ Ụlụmma. Nwanyị a amaghị akwụkwọ. A zụkwaghị ya nke ọma. O wee hụ akụ a dị n'ezi na ụlọ ahụ obi wee dị ya ka a kụbara akpa nnu. O bidoro mgbe ahụ n'eleghị anya n'azụ wee kpọwa akụ

dị n'ezi na ụlọ ahụ ọkụ. Ma nke a mere ka ọ dị ka ọ bụ ya na-alụ di ya n'ezi na ụlọ ahụ.

Nwa ngwii a wee bụrụ nwa na-adịghị onye na-eleta ya anya. Ụlụmma adịghị emezi ya. Di ya bụ Amadị Nwokoro adịghị enyonye anya ebe nwatakịrị a nọ. Nwanta a, a naghị enyeju ya afọ nke a na-eyibe ya uwe dị mma. Kama imezi ya ihe ọ na-anata bụ ihe nwanyị a na-akụ ya. A naghị ekwe Ụwadịegwu ka o soro ụmụaka ibe ya gwuo egwu. Ihe a na-eme bụ inye ya ọrụ kwa mgbe kwa mgbe n'agbadoghị na ọ bụ nwatakịrị. E wepụ na nwanne nna ya nyere iwu na Ụwadịegwu ga-esoro ụmụaka ibe ya aga akwụkwọ nne ya ukwu bụ Ụlụmma anaghị ekwe ka ụkwụ ya kpaa n'ụlọ akwụkwọ. Ihu ọma kpọrọ nwatakịrị a n'ihi na chi ya nyere ya ọgụgụ isi na echiche ọma.

Mgbe ọ bụla Amadị na-achọ imere Ụwadịegwu ihe ọma, nwunye ya bụ Ụlụmma na-asị ya chetakwa na "nwa ngwii puo eze ya atagbuo onye zụrụ ya". Okwu a na-eme ka nwoke ahụ kwụsị ihe ọ chọrọ imere Ụwadịegwu. Ụlụmma wee mụọ ụmụ atọ ndị nwoke abụọ na otu nwanyị. Ọ bụ Ụwadịegwu kuchara ha. Ya kuchaa nke a ya amalite kuwe nke ọzọ. Nwa nke ikpe-azụ bụ nwoke wee nwụọ site n'akpachapụghị anya nke enyi Ụwadịegwu. Ugbu a ire Ụlụmma wee dị nkọ karịa. Ọ sị na ihe ya na-ekwu emeela. Ọ bụ eziokwu na ọ bụghị Ụwadịegwu mere ihe nwata ahụ ji nwụọ ma Ụlụmma boro ya ihe nile. Nwata a enwekwaghị ihe ọ ga-ekwu. Ihe wee dịrị Ụwadịegwu njọ n'ụlọ mana ihe na-azọ ya bụ na ọ bụ agụ n'ebe akwụkwọ ya dị. Ego dị iji azụ Ụwadịegwu na kọleji mana nwanne nna ya bụ



Nwokoro achọghị iziga ya n'ihi na nwuny
"Ụbụrụ nwatakịrị a dị egwu; ọ mara ihe ka
ọ bụrụ na e ziga ya kọleji akwụkwọ ya ga-ag
Ọ gaghị enyekwa anyị nsọpụrụ, n'ihi ya
ma a chọtara ya ọrụ n'ebe ọzọ".

E weere Ụwadịegwu dị ka onye nkụzi
akpọ Nguru. E mesịrị chụọ Ụwadịeg
n'ihị esemokwu ya na onye isi ha. Mgbe
anya Ụwadịegwu wee zupụ wee gaa ala
ọ nọ wee mụta nnukwu akwụkwọ wee bụr
maara anya ihe gbasara ọrụ igwe nke ukwu
iri wee lọta ụlọ n'atụghị anya nke onye ọ
onye sịrị ya nnọọ. N'oge a nile Ụwa
anọghị n'ụlọ nne ya ukwu bụ Ụlụmma nọ
mere na ọ sụrụ akụ dị n'ezi na ụlọ ahụ n'
na nramahụ nke ụkọ ego na ihe oriri mgb
Ọdinkemere Nwokoro lọtara. Mmụta en
egwu ọ mara oke ihe, nwee nnukwu a
Ugbu a ụmụ nwanne nna ya ahụghị tụrụ ra
ụdịrị ahụ ha jọkwara njọ. Ụmụaka a agụ
karịa akwụkwọ nke isii.

Ọ dịghị ụzụ e mere maka nlọta
Ụwadịegwu n'onwe ya ejighị ego ọ bụla
o ji ese foto na redio ya na ụmụ obere ihe
enyi ya wee deere ya akwụkwọ ka ọ bịa we
E nyere ya ọrụ n'ebe a na-egwu igwe dị
oge n'eteghị anya ego ya buru ibu. O
ịkwụrụ n'onwe ya. Ụwadịegwu echefughị
ghịkwa nwanne nna ya na ezi na ụlọ ya. ug
ebidolarị na-ekwu na-agwa ndị ya sị,

kwuru maka Ụwadịegwu? Nke a gosịrị gị n'ezie na nwa ngwii puo eze, ya atagbuo onye zụrụ ya". Ugbu a ndị ụfọdụ ekwenyewere ihe a ọ na-ekwu kemgbe. Ha na-asị na obi kpọrọ Ụwadịegwu Ọdịnkemere nkụ na ọ naghị enyere mmadụ aka na ọ naghị echeta ihe e meere ya. Mana Ụwadịegwu na-eche ihe ọ ga-emere ezi na ụlọ o si na ya pụta. Ọ chọrọ ịlọta ụlọ na ntụmadị. Nke a ka ọ chọrọ ime n'ụzọ dị ukwuu. O dere akwụkwọ zigara nwanne nna ya sị ha na ya chọrọ ịbịa ka ha tiiri ya aka na mkpa o nwere. Leta nke a wutere Ụlụmma, ọ gwa di ya sị ya zighachiri ya leta ahụ, dị ka a gụbeghị ya agụ. O kwuru n'obi ya sị na ọ bụrụ na ọ lọta na a ga-agwa ndị ụlọ ha ka ha dọọ ya aka na nti ka o bu ụzọ kwụọ ụgwọ e ji zụọ ya n'akwụkwọ nta, e mesịa ka ọ kwapụrụ ha n'ụlọ. Ihe a nile wutere Amadi ma ọ dịghị ihe o mere. E kpere Ụwadịegwu Ọdịnkemere ikpe azụ wee ma ya ikpe na a ga-achụ ya ma ọ lọta.

Ụbọchị ahụ wee bịa, Ụwadịegwu wee bulie ụgbọ ala ọhụụ ya na ngwongwo nile na ihe nkesi na onyinye ọ ga-enye nwanyị nwanne nna ya na ụmụ ya wee lọta. Ihe nile a kụchiri nwoke na nwanyị ọnụ.

O wee makụọ nwanne nna ya n'obi ụtọ. O wee kpọọ oriri nke bụ ewu na ọkụkụ ribe. Ọ nọ ebe ahụ wee maa ọkwa ụzọ a ga-esi zụọ ụmụ nwanne ya wee gwakwuo ha ka a ga-esi arụ ụlọ elu n'ụlọ ha.

O kesara ego o ji lọta, o ruru nwoke na nwanyị wee gosi ha na ihe ha na-ekwu bu na "nwa ngwii puo eze, ya atagbuo onye zụrụ ya" abụchaghị eziokwu oge nile.

*Nkebi 1*

Emume 1

## MMALITE OKWU

*Ụwandụ:* Onye ọ bụla were ụwa otu o si hụ ya. Ụwa adịghị ka e si lọ ya. A gbakwuru ndụ, ọ dị ka a gaghị anwụ anwụ. Nwata a kwọ n'azụ amaghị na ụzọ dị anya. Agadị nwanyị ji aka ekpe tufuo nkịrịka nkata dị n'ụlọ ya, ụbọchị ọnwụ ya e ji aka nri webata nkata ahụ. Ihe akụ ilu na-ada n'ọnụ abụghị ihe ọ na-atọ. Onye na-enweghị ebe ọ na-eje na-aga n'ụlọ nne ya ochie ugboro asaa n'ụbọchị. Gewe ntị ka ị nụ akụkọ ukwu gbasara Ụwadịegwu Ọdịnkemere Nwokoro (Ụwandụ apụọ).

(N'ụlọ nna ha ochie ụmụ Nwokoro na-akparịta ụka tinyere Adanne ha bụ Nwanyịkadiya).

*Chukwukadibia:* Tutu nna anyị anwụọ ọ gwara m agwa ma aghọtaghị m ma otu.

Aghọtaghị m uru akwụkwọ bara. Agaghị m anọkwa n'isi ọzọ. Leenụ ọ bụ ndị otu m nọsị n'ọkwa dị iche iche, mụ anọrọ ebe a na-ahụsi anya.

E mee n'elu, a kpọ Chukwukadibịa, e mee n'ala, a kpọ Chukwukadibịa. Ngwanụ, Chukwukadibịa anọrọla n'ụlọ ghọọ agadị, Ewo! Nwamịrị efeela ọkụkọ. ( O were iko anwụrụ ya, were anwụrụ tinye n'imi, maa uzere) .

*Nwanyịkadiya:* Mechie ọnụ gị. Mechie onụ Chukwukadibịa. Olee ihe ị ga-eme ugbu a ị ghọworo agadị? Ị ga-alaghachị skulu? Ị bụ nwata? Biko lewe anya ihe ọzọ. A naghị eche uche ala azụ.

Onye na-eme otu ahụ bụ onye nzuzu. Ị nụkwala ya?

*Amadị:* Chukwukadibịa werekwanụ Ihe ụwa otu ị hụrụ ya, Ọ kwa mụ agwala gị na ụwa bụ ntụgha ntụgha. Ọ tụghara gaa ebe a, ọ tụghara gaa ebe ọzọ.

A naghị amacha ya amacha, Leenụ Uzokwe onye Amawọm nke bụbu diochi, ọ kwa ya na-agbazi ụgbọ ala ugbu a n'ihi na nwa ya nwoke lọtara ala Bekee? Nwanyịka ekwuolanụ okwu ya, a naghị agbagha ya agbagha. E lewenụ ihe ụwa ga-eweta

*Chukwukadibia:* Ọ dị mma, ka m werenụ ya otu ahụ. Mbe sị na ya webasịa ụkwụ ya na aka n'okpokoro ya, ọ dị ka ya anwụọla ma a maghị na ya dị n'ụra



n'ihi na onye nwụrụ anwụ na-esi isi. Ya dịwanụ otu ahụ. Ihe ụwa butere, ya were, ihe chi fotere, ya rie. Onye na nke ya.

(Ọ maakwa uzere ọzọ) .

*Chukwuma:* Enwere m ego nke ukwu. Enwere m ala nweekwaa ọtụtụ ụlọ ahịa. Anyị mụtara otu nwa nwoke na-atụkwa anya ụmụaka ndị ọzọ. Aga m aba nsị?

Skulu gbakwaa ọkụ! Ọ bụrụ skulu, ọ bụ nwa m Ụwadịegwu ga-ejelite ya elu. Skulu m ga-eje bụ ịzụ Ụwadịegwu Ọ ga-eje ụlọ akwụkwọ nta, jee ụlọ akwụkwọ ukwu. E mesịa aga m eziga ya ofe mmiri ka ọ mụruo akwụkwọ ebe ọ kwụsịrị. Ntị ga-aha otu a, a ga-eji ya ekpuchi ụlọ? Ọ bụ mmadụ na adara ọchị, ọchị anaghị akwatu mmadụ. Ehe m! Ụwa m adịghị njọ.

*Amadi:* Chukwuma ọ bụghị ya. A naghị amacha ihe ụwa ama. Ọ dị ndụ, gaeme ihe ọ chere.

Anya ka anyị ji ele.

*Ugochi:* Biko di m, ị nụlanụ? Gị kaa aka, gị akaa uhie. Ụwa anaghị agacha wararam. Ọ dịghị onye ma echi ma

ekwenyere m ihe nile i kwuru. O buru na nwa anyi amuta akwukw o ga-abara anyi uru, bara onwe ya, bara ndi obodo anyi nile uru nke ukwuu. Ma ka anyi were ya nwayoo di ka nwanne gi nwoke kwuru.

*Chukwuma:* Ahaa! oriaku m ama m nke ahu ama kama anaghi amacha uwa ama, o bu nani eze amachaam ihe uwa ga-agbara oto si na ya yi uwe nke n'onwebeghi onye yi ya. Ihe m ji ekwu nke a bu na o buru na mu enweghi ike zuputa di okpara m nke a, nwanne m nwoke a bu Amadi ga-enyere anyi aka ebe o bu okorobia na-enweghi ihe o ji n'aka ugbu a. O, bia nne, cheta na echi ka i ga- eje ulo ogwu di ka onye dibia gwara gi. O si na ya ga-ahu ndi di ime iche echi. I nukwala ka m na-echetara gi ya ugbu a? Unu bu umu nwanyi unu ana-echefuka ihe. Ya bu buru ya n'obi.

*Ugochi:* O, di m, i meela. O bu ihe nduru na-eji aga abuo abuo. Ihe diri nwanyi diri di ya. Chiputara m ololo ato, hichakwaranu m akpa m, wepu-taram kaadi m ji ana ogwu n'ihi na anyi ga-ama uzo na-eje (Ha apuo)

EMUME NKE ABUO

(Mbata Chukwukadibia Chukwukadibia nodur dunye aka n'agba. Ama ya anya, o jughi ya afo)

*Amadi:* Dede, otu a ihu gi di, o d O nwere onye metere g utuṭu a ka o bu na ahu ad

*Chukwukadibia:* Bia, nwanne m nwoke, na-egbu m mgbu. O metere m n'ura; O dighi mu na ya na-ese. Ma dimkpa. Obi m di njo, n'abali taa, o kweghi uto; o kweghikwanu ahu.

*Amadi:* Kaa dede, o bu gini? Gwa m, gwa m ihe o bu.

*Chukwukadibia:* Aroro m otu nro ojoo t

*Amadi:* Nro kwa, o gwula?

*Chukwukadibia:* A sila o gwula, n'ihi n o di m n'obi.

*Amadi:* Kooronu m ya bu nro I maghi na nro anaghi

Ị makwa na nrọ bụ onye nzuzu?
I nwere ike ị tụụta otu akpa ego na nrọ.
Mgbe i tetere n'ụra, ị gaghị ahụkwa ya. I nwere ike ịgba ụgbọ elu gaa ala Bekee, gaa ofe mmiri; I teta n'ụtụtụ, ị ka nọkwa ebe ị nọ. Nrọ enweghị isi; Nrọ enweghị ọdụ.
Arọkatala m nrọ hụ na ọ bụ ihe efu
Onye sowe nrọ, ya efuo, ma biko, kọọrọnụ m ya bụ nrọ.

*Chukwukadibịa:* O, nrọ! nrọ nke a!
Anọ m na nrọ wee hụ nna anyị,
Nwokoro nke larala mmụọ mgbe ka dị na nwata ka o si n'ili bilie ọ bịara n'ụlọ anyị taa, wee sị ka m kpọọrọ ya Chukwuma na nwunye ya
Mgbe m kpọrọ ha, ọ jụọ ha ihe ha na-eme ha erutebeghị. Ihe a gbagwojuru m anya. M jụọ ya ebe ha na-eje
Ọ sị n'ebe ya bi: M sị ya nnaa, ebee ka i bi? ọ sị mụ ajụkwala ya; na ya si n'ụlọ ya bịa. Mgbe m na-eme ka m jụọ ya ọzọ, ahụkwaghị m ya.
O fepụla n'anya m. Mgbe nke a mere, Ekwọliri m n'ura. Nwanne m nwoke, kemgbe ahụ, ahụọkụ abịa la m; ụra apụọla m n'anya; egwu Jizi m nke ukwu.

AMADI Ọ gwụlạ ka ọ fọrọ?



Ọ gwụchaala nọọ ihe i ji wee dị otu a n'ụtụtụ a? Ị maghị na e kwe ekele, ilu asaa? Ị maghị na a na-eri ihu nwata tutu e rie ihe o ji n'aka?
Ị maghị na nrọ bụ onye ụjọ?
Nrọ anaghị adị otu e si rọọ ya:
Ị maghị na otu a ị rọtara nna anyị na nrọ na nwanne anyị nwoke, na ihe nile ga-adị mma? Ị ma na nwanyị dị ime, ga-amụ ya amụ.
Ị ma na ihe nwanyị Chukwuma dị ugbu a bụ ime ọmụmụ.
E leghị anya, ọ ga-amụ echi, ọ bụrụkwanụ nwoke. Otu a nrọ gị a bụ taa lezie anya, ị ga-ahụkwa, ị ga-eji nke a mara ire na-adị n'okwu m.

*Chukwukadibịa:* Ọ dị mma, nwanne m nwoke, anya ka m kpa na-ele, ya rekwaa n'olu gị.
Onye nọ n'ụlọ ya eche mmadụ, Ukwu anaghị egbu ya mgbu. Ka ọ dịwanụ, kama a........................

*Amadị:* Kama gịnị?
Agwachaala m gị.
Ọ bụ ihe ọma anyị ka ọ ga-abụ.

*Chukwukadibịa:* O, Ekwela m,
Ka ọ dịwanụ: Ma nrọ m, nrọ m, Anaghị abụ na nkịtị.
( Nnụnụ ọjọọ na-eti mgbe ihe ọjọọ mere etie)

Ahaa! Ekwuru m ekwu. Nrọ ọjọọ na nnụnụ ọjọọ! Nnụnụ a, i tie n'elu tie n'ala, etigbukwala anyị!
Onye ebughị ihe, enweghị ihe ọ na-akụwa. Nwanne m, ka e mesịa.

( Ha apụọ, ọkụ anyụọ)

( Mbata nke otu agadi nwanyị, Adaego na otu onye na-agafe agafe) .

*Onye Ngafe:* A sị hà na nwanyị ahụ mụrụ otu nwa nke ọ dị ime ya ugbu a o ji jewe ụlọ ọgwụ bụ ime nke abụọ yà. A sị na ya na di ya nwụrụ kwampim otu mgbe ahụ.

*Agadi Nwanyị:* Ewoo! onye hụrụla ihe mere otu a mbụ? Ụgbọ egbuo nwanyị dị ime na nwa ya; gbuokwa di ya oo! Ụmụ nwanyị ibe m leenụnụ nke a,ọ bụkwa arịrị. Unu ahụbeghị na ama ụmụ Nwokoro echiela! Ewoo! Ihe nke a wụ uchi. Ọ wụ uchi ọjọọkwanụ Ewo!

*Adaego:* Ewo, ewo, ewo. Olololoo! Aga m eme ahaa? Ewo! ewo! Gwa m, gwa m, gwanụ moo. Aga m ala ala ka aga m ejebe ejebe? Ala agbabiela o! Elu igwe adadola ụwa, ụwa m, ụwa ọjọọ egbuola m. oo, ụwa bụ ihe efu,onye nọsịa ọ laba.



(Onye Ngafe wee na-ejide ya na-akasi
Hapụnụmo, hapụ m mụ esoro ha laa mmụọ
n'ụwa eme gịnị ọzọ? Chi ejiela m n'ihu bọọ n
Ewo! Ehiii!!.

*Agadi nwanyị:* Ebe i beruru haa aka. Ọ
na-adịghị eme eme. Echel
gị ka njọ, nwa m! Jide o
letawa onye nke ha hapụ
Ụwadiegwu. Nwa ewu.
fụghị, ọ ga-apụ ikenga. Otu
nwa m, haa aka. Chi na-eny
ewerekwa. Amadịọha nna
jikwa ọfọ na ogu!

*Adaego:* Kemgbe nne na nna si
ahụbeghị m ihe mere ot
Iyi erielạ dibịa buru akpa
atachaala ọka nwata shis
ihe n'anya. Ụgbụ m oo! I
ọfọ na ogu. Ihe e kwuru n
abụghịkwa ihe e kwuru n
Ụwa nke a. Anyị gba ak
Ụwa, i bụ nke efu. Di
nwanyị ọ hụghịkwa onye g
Ụwadiegwu nwa nna ya
osimiri ejila asụ mụọ m
agwụla ụwa a gụọ ya nka.
ebe m ga-eri ihe gbara
Jeenụ kpọtara m Ụwadiegw
bikọ jeenụ o!

(Ha apụọ ọkụ anyụọ)

(n'ụlọ, Ụlụmma Ijego na-ewe iwe na ya na onye na-azụ ya ka bikwa. Ụlụmma na-ekwuru onwe ya okwu. Ka e mepere Kọtin sọ Ụlụmma nọ n'ụlọ) .

*Ụlụmma:* E mee n'elu, Ụlụmma, e mee n'ala, Ụlụmma! Ehihie, Ụlụmma, uchichi, Ụlụmma. Nanị Ụlụmma bụzi mmadụ mgbe ozi 'pụtara. Nne m ukwu amabeghị na echi mụ ebiri nga m. Agaghị m abụkwa ohu ya ọzọ. Aga m ebiri n'ụlọ nke m. Aga m ẹteta ụra mgbe o ji sọm, labakwanụ mgbe o ji sọ m. Mụ na di m Amadị ga-agba akwụkwọ echi, mụ ahapụ nwanyị a laa n'ebe di m. Ihe ọ sọrọ m emee m n'ụlọ m, n'ụlọ di m. Mụ fụọ akwa isi ya akpọ ya anya ahụ nne di. Mụ sie nri ngwa ngwa, ya asị na mụ bụ ọlọ ọkụ ọlọ mma. Mụ were nwayọọ, ya akpọ m agwọ ụra. Ọ bụ ozu nwa bekee, e mee n'elu, mba! e mee n'ala mbaa! Nwanyị a ọ fọrọ nwantịị ohu m bụụrụ gị n'ụlọ akwụsị.

( Ya ekwebe ukwe) E megbukata nwa, e megburuo ya otu mgbe a echi! Ya sọ m ofe egwusi, mụ ana-esi n'ụlọ di m! Ya sọ m ofe osikapa anọ m n'ụlọ di m esi ya. Otu ọ sọrọ ụwa ya dị. Onye gba nkiti, chi ya agba. Ihe chi fotere, ya rie. Otu mgbe a echi, anọ m n'ebe di m. Alaa moo, alaa m n'ebe di m.





(Mbata nke Adaego Guzo
Ụlụmma aka).

*Adaego:* Nwa mgbabi chi a, anụchaa
gị. Aga m ahụ ihe ị
Meekwa ka ọzụzụ m zụrụ g
uru. Abụkwala ọ ka mma
kama tụkwasị obi na
onye ga-enyere gị aka
nwanyị mee elu, mee ala, ó b
ekwu. Nke a bụ nkwubi
Echi gị na di gị gbachaa a
Gi eburu nsogbu gi pụọrọ
Ike gị agwụkwala m (Ha ap

( Ụlụmma Ijego na Amadị Nwokoro wee gb
akwụkwọ. Ebe ha nọ obi na-atọ ha ụtọ nke
wee na-ata akụ ha n'ọnụ. Otu ọfọọgọri a na
Oringaọhụrụọkụ wee bata, ya na uwe ochie
kwuo ihe masịrị ya gbaa egwu wee pụọ) .

( N'ụlọ Amadị, Ụlụmma Ijego na Amadị N
ya)

*Amadị:* Ụụlụụ! Ụụlụụ! Ụlụmma!

*Ụlụmma:* Eh, di m!

*Amadị:* Biko nwunye m bịa

*Ụlụmma:* (O rere bịa)
Lee m di m

*Amadị:* O lee maka mmanya ahụ, ọ fọdụ-kwara? Kedụkwanụ maka anụ uchichi ahụ?
Weta ha ka anyị gbaa azị.

*Ụlụmma:* Oo, di m (Ọ puọ jee bute efere anụ na otu udu mmanya) Leenụ ha di m
Mmanya ahụ bụ oyooyo. Ọ maka.

*Amadị:* I detụlarị ya ọnụ mbụ?
Gbanyerenụ m ka m hụnụ
(O detụ ya ọnụ)
O maka n'ezie. Gbanyekwara m
Gbarakwanụ nke gị ma dowere m
ya n'ime ime ụlọ ka anyị na-añụrụ ya
Enyedịla ya onye ọzọ
Onye bịazie i nwere ike inye ya ọjị
na nwa ọra mmanya nke ahụ

*Ụlụmma:* Otu ị katara dị mma
Mụ onwem, ọ bụkwa ụdị mmanya
ahụ na-adị m mma.

(Ọbuba ya n'ime ụlọ pụta nọdụkwa ala)

*Amadị:* (O kwughee efere anụ ha ebido tawa ya).
Anụ a bụkwa ezigbo anụ
Leenụ ọkpụkpụ adịghị ya
(Aka wee kụọ n'ụzọ)
(N'olu nwayọọ. Buba anụ a)
Onye na-akụ?



Oringaọhụrụọkụ: Ọ bụ Oringa

Amadi: Anụ ọhịa a ọ chọtara gịnị ebe a;
O makwa ihe?
Mmadụ ahụla otu!

*Ụlụmma:* Ya akpọchukwala mmadụ ihu taa.
Ọọ kwanụ na anyị agbaala azị
n'ụtụtụ a, ma ya abụghị ya,
onye Oringa kpọrọ ihu, ihe mere ya.
Ya dịwanụ.

*Oringaọhụrụọkụ:* Eviri wanawa perem perem, Eviri wanawa peremperem.
Nwa ngwii puo eze, ya atagbuo onye zụrụ ya.
Amadị, Ụlụmma ga-egbu gị egbu.
E mezie agadị nwanyị, ya asị na agbụrụ ha nwe nka.
E sịzie ofe egwusi, ori wom wom erigbuo onwe ya.
Agbọghọ lụọ di ọhụụ, ya na ọchị a na-eme. Ụlụmma awụkwala ọ kworo di fuhuo ọkụ ma ọ bụ ọji mma ekwu eje n'ọba. Ụlụmma ụbọchị esịrịla! pi pii, pi pii pitakwa.
Ana m eje Lokoja, Enugu, Makurudi, Kafachan na Legos.
Pi pii, pi pii, Amadị ị zụrụ ahịa ngwugwu n'ebe Ụlụmma nọ. Ma jide ndụ gị aka nwanyị ọjọọ a

egbuo gị. Ngwanụ onye ekwela ibe ka ya; pere m pere m, (Ọ pụọ) .

*Amadị:* Missisi m, achọpụtara m na ihe anyị na-eri otu mgbe n'ụlọ na-akarị, akarị, Ị marala na ego abụghị mmiri. Chetakwa na a ga-azụ ụmụ-aka anyị azụ. Anyị were otu a na-eri kwa ụbọchị, ọ ga-ara ahụ. Ihe ụwa ka mma nwantịị nwantịị, kama e ri-chaa a hụghị, ka e rifọ, Ị nụla ya?

*Ụlụmma:* Nna m ukwu ihe a ị na-ekwu ọ bụ gịnị? Ihe a a na-esi, ọ bụ nanị mụ na-eri ha i ji wee na-agụchị m ntị mgbe nile? Ọ bụrụ na ị sị m gbara ọnụ, gị ekwuo, mụ amara amara. Ndị lụrụ di ọhụụ ga na-erijụnụ afọ tụmadị otu a Chineke mere ebere anyị mụta ụmụ atọ ahụ siri ike. Chukwụ nna ekelekwara m gị. Nna m ochie aka m ka m weliiri gị o.

( Mbata Ọringaọhụrụọkụ ọzọ)

*Ọringaọhụrụọkụ:* Ekwela ya, nne m ukwu Nwanyị ike ukwu. Di gị kwuo sàa yạ. Gị na Amadị gbara akwụkwọ isi unu agbaa ahakaha. Onye kwuo ibe ya ekwela. Ihe a kpatara akụ bụ oriri oriri. Onye rie, ibe ya rie, mgbe ọ gwụrụ unu ezuru ike. Ihe nke a bụ gịnị?



*Amadị.* Oringaọhụrụọkụ, Taa pụọ
Onye kpọrọ gị oku? Ọ dị
ibe gị ị hụrụ n'ebe a? Ị ga
ihe ị maara? Anọkwala n'
ebe a na-ekwuwasị ọnụ. M
gị n'ụlọ a ọzọ, agwa m
pụta. Anụ ọhịa! Ewu dị
gbagbuokwa gị. Taa pụọ e

(mbata nke Oringa
n'ezigbo elu nkwago) .

*Ọringaọhụrụọkụ:* He, he hei-Amadị, atụụr
kwuokwanụ ezi ụka.
ị makwa na ị bụ onye a
ụdara mma, ya kụọ n'al
n'ụlọ m. Ụlụmma, gị na d
Okwu m ga-apụta n
Nwoke nwanyị na-achị
ukwu kwagidere ya.
perem perem! (Ọ pụọ) .

*Ụlụmma:* ( Tugharịa legide Amadị
Amadị, ị sị na mụ na-em
ọ bụ gị dobere m nwa
sị mụ zụjiwe aka? A na-
na nkịtị? Ọ dị ka i chefu
ngwii puo eze, ya atagbu
ya. Ihe nwa a na-eri
ọ ka ihe dimkpa abụ
na-ajụ m ebe ego anyị
Ụwadiegwu jụọ ya.

*Amadị:* Misiisi, ị sị m̀ chụfuo ọkpara ọkpara nne m? Ị makwa na ọ bụ akụ nna ya kpatara ka e ji lụbata gị n'ụlọ m? Biko, were nwa a bụ Ụwadịegwu Ọdịnkemere dị ka otu n'ime ụmụaka gị. Ị ga na-enyeju ya afọ. Ọ ga-eje skulu jee mụọ akwụkwọ dị ka ibe ya.

*Ụlụmma:* Ị kwuchaala? Ọ gwụla ka ọ fọrọ? Ị sị onye kuwe ụmụaka ndị a ma ọ bụrụ na Ụwadịegwu ga-eje kọleji? Ị hụla onye nne ya na nna ya nwụrụ n'ala unu na-eje akwụkwọ? Abụ m ohu gị na ya? Skulu gbaakwa ọkụ! Ya bịa jeenụ. Mmadụ ahụla ihe. Mbe sị na ya erijubeghị ma ya fọdụ nwa ya nwere ọtụtụ afọ n'ihu.

( Mbata Ụwadịegwu gbuo ikpere)

*Ụwadịegwu:* Biko nne m ukwụ, aga m eje akwụkwọ jee mụta otu e si e de ihe na otu esi a gụ ihe dị ka ụmụaka ibe m.

*Ụlụmma:* Taa, nwatakịrị a, mechie ọnụ. Onye kpọrọ gị? Olee nke mụ na gị ji? Ị ga-eje skulu mgbe atụrụ puru mpi! Ị ga-eje skulu mgbe i kutooro ụmụaka m nile, ị nụla? Ma ugbu a, agwala m di m Amadị na ị gaghị eje skulu ruo mgbe i kutooro ụmụaka m nile ha eruo ogo ije skulu n'onwe ha.



A na-agwa unu bụ ụmụ n
obi unu atụgoro n'ihe u
Ọzụzụ m na-azụ gị ebe
nri m, o jughị gị afọ?
Leenụ!

(ọ maa ọsụ) Ya dịwanụ

*Ụwadịegwu:* Nne m ukwụ, anụla m.
ihe i kwuru, ma jisie ike
afọ. Mgbe ụmụ gị nile
i jisie ike mee ka m bido

*Ụlụmma:* Ụwadịegwu nwa mgba
gịnị? Afọ gbagbuokwa
O zuola gị! Ya ha
Puọ m n'ihu!

( Ụwadịegwu bilie puọ)

*Amadị:* Misiisi m, o zuola.
Ụwadịegwu ga-eje s
ụmụaka ibe ya. Onye
mbọ, ya fụọ ya ụfụ, ya
tụọ onye ọzọ na ọ ga-
ahụ ụfụ. Mụ na nwan
nna Ụwadịegwu kpebi
egwu ga-eje skulu tup
ọgụ emee. Ka ọ h
(Ha apụọ).

## NKEBI II

*Emume I*

*Otu Olu:* Ụwadịegwu! Ụwadịegwu Ọdinkemere? Ụwadịegwu Ọdinkemere Nwokoro!! Anya ruo gị ala.

*Ụwadịegwu:* Onye na-akpọ m ihe a? Nwanyị a agaghị ekwe m zuru ike, ya kpọ m n'ehihie, ya akpọ m n'uchichi, ugbu a ya na ụmụ ya pụsịrị ka m zurukwanụ ike wee chere otu ụwa si dịrị m . (O kwube n'onwe ya) .
Nna m nwụrụ na moto. Moto gbukwara nne m. Enweghị m nne nke m na-enwe nna ma ọ bụ ebe ịtọgbọ okpokoro isi m n'ụwa nke a.
Mmadụ achọghị ịkpọbata m ruo mgbe m ga-akpọbata onwe m. Uche m dịzi n'elu igwe. Chi nyere m aka. (O kwebe ukwe)
Nwa enwe nne, Une, ahụshiela m anya, une!
E jebe nkụ, Une, e dupụ nwa enwe nne, une!
E jebe mmiri, une, e dupụ nwa enwe nne une!
E sibe esibe, une, a kpọba nwa enwe nne, une!
E sichaa ya, une, a kpọpụ nwa enwe nne, une!



Nwa enwe nne, une, ahụ
anya, une!
Nwa enwe nne, une,
Ahụshiela m anya.
M hụshie anya, une, mh
ka ọnwụ, une?
Nwa enwe nne, ololoolo—

(Anya mmiri wee zobe ya n'anya dị ka
na-eru, O wee pụọ) .

( Ụwadịegwu emesịa batakwa ya na nwan
ukwu sị ya legide anya)

*Ụwadịegwu:* Nne m ukwu sị mụ na nwat
Nwata a, ọ fọrọ ntịị, m
gị. Mgbe m mesịrị nke a, e
ọ ga-ekwe m gaa skulu. Cl
aka, Chi nwa ogbenye nye
Chi nwa ngwii n'aka gị
Ihe dị ndị ọzọ mma, Cl
nyekwa m ya.

(Mbata Chike kụọ kpọ
kpọị!) (N'olu ala) nk
abụ nna m ukwu ka ọ
ukwu?

*Chike:* Ụwịị, ọ dị ya?
*Ụwadịegwu:* Onye?
*Chike:* *Ọọ m!*
*Ụwadịegwu:* Chii!

*Chike:* Ee, ọḷịa?

*Ụwadịegwu* Ọ dị mma.

*Chike:* Nne gị ukwu na ọga gị kwanụ?

*Ụwadịegwu:* Ha apụọla.

*Chike:* Olee ihe ị na-arụ n'ụlọ ugbu a?

*Ụwadịegwu:* Ọ nweghị ọtụtụ ihe m na-eme taa,
N'ihi na m legidere nwata.

*Chike:* Ụbọchị ọma gị!

*Ụwadịegwu:* Ee, ụbọchị ọma m!
Ị bịalanụ?

*Chike:* Ee, abịala m,

*Ụwadịegwu:* Ị mere nke ọma wee bịa
Biko legidere m nwa a ka m bịa.
Lee ya ka ọ na-aba ọhịa
Ka anya gị ruo n'ahụ ya
Ana m abịa (ọ puọ)

*Chike:* Oo! Ọ dị mma
Ka m zurutukwanụ ike nke m
(Dapụ n'oche wee rahụ ụra ntakịrị. Nwatakịrị bamie nọọ n'ọhịa. Ihe a nụziri bụ akwa nwata bere. Chike si n'ụra malie, gbaa gaa ebe a, gaa ebe ọzọ, o tie mkpu) O, Chineke mo o! Olee nwatakịrị a ebe ọ na-eti mkpu a? (Gbaruo ebe ahụ, nwata nọ, ụfụfụ na-agba ya n'ọnụ, nwata na-agbọ wee nwụọ)
Ewo! Chimee, Ewu mo o!
Arụ emee! arụ emee! Onye nọ n'ụlọ gbaa ọsọ bịa o Bịanụ o! Bịanụ o
Arụ o, arụ emeela ebe a o!



(Ndị mmadụ ụfọdụ nọ
agbata)

*Ndị mmadụ:* Ọọ gịnị?
Ọ lee ebe ihe ọ wu mere? Eb
(Mbata Ụwadịegwu, o ji ọs
wụbata

*Ụwadịegwu:* Ọ bụ gịnị Chike? Ọ
Ọ lee nwa nne m ukwu? Ole
(Hulata hụ ya, metụ nwata
aka)
Ewo! ewo, efuola m!
Chi m egbuola m, a ga m e
Ụwa bịa were mo o!

*Ndị mmadụ:* Mechie ọnụ, nwa a, me
Jeenụ kpọọ ndị mụ
Ihe nke a bụ uchi. Ọ bụkw
ọjọọ tara nwa a

*Otu onye:* Lee nne nwa ka ọ na-abịa
(Akwa wee bido hịọwa n'
n'ala)

*Ụlụmma:* Ọ bụ gịnị? (Lee anya hụ o
Ọ bụ nwa e? (Ọ tụọ onwe
Nwa m! nwa m eee!
Ihie mo! Chimoo! Ol
Anwụọla m, anwụọla m
egbuola m! Nwa ngwii
ngbabi, nwa enwe nne en
egbuola nwa mo! Aga m e
Ewu u ........................

*Otu agadị nwoke:* Biko jidenụ ya Nwanyị, biko jide obi aka, ọ bụghị gị mere, ọ bụghịkwanụ mmadụ mere, ọ bụ chi, ọ bụ uchi. Agwọ tagburu nwa a! Hapụga aka ( Di Ụlụmma Amadị, agbabata, akwa ahịọsie ike) .

*Amadị:* Ọ bụ nwa onye dị ihe a?
Nke a ọ bụ ozu nwa m?
Ka ọ bụ ozu onye ọzọ?
Ewo! Eriela m ariri
Ihe nke a bụ gịnị?

*Agadị nwoke:* Biko nwa m, ebela akwa.
Jide obị aka
Ihe na-eme ugbu a ebuka.
Ebela akwa ọ bụla
Ndo, ndo nwa m.

*Ndị ọzọ:* Ndo, ndonụ o
Ọ bụ uchị!

*Amadị:* Ọ gwụla, ka ọ forọ?
Chi m nke a ọ bụ gịnị?
Mgbe a mgbe a
A gbaa akụ, ọ tụọ n'ogwe
O bụ ogwe ka a pịara akụ?
Chi m egbuola m
Ewo!

*Agadị Nwoke:* Ọnwụ dị otu a anaghị ebere ya akwa nke ka nke taa bụ ahịa anyị



Ka onye ọ bụla gharak
ma ọ bụ ibe akwa. E
nwata a n'isi ụtụtụ ka ụr
maa uzọ ga buru ya lie l
ahụ. Unu lasịakwanụ, chi
( Akwa wee hịọwakwa
( E buru ozu nwata a dof
ụlọ ndị mmadụ lasịa) Ọl

*Emume II*

( Ụlụmma na di ya nọ n'onwe ha n'ụ

*Ụlụmma:* Amadị ị hụlanụ ihe m na-
Ji anya lere bụ ọzọ dimgb
Ị hụlanụ kwerekwanụ.
Ọọ kwa eliela nwa m
agwụ
Aga m emenụ gịnị?
Nwa arụrụ ala a na eny
nwa m. Olee ihe m ga-en
( O bewe akwa)
Ewu ! aga m eme anaa e
Ụwa araala m ahụ
Agwọ atagbuo nwa m!
Onye ga-eberela m?
Onye ga-asị m ebela?
Olee ihe m ga-eme?

*Ụlụmma:* Ewo, ihi moo! Nwa ar
enyi ya egbuola nwa

Aga m eme añaa e! Ụwa araala ahụ. Agwọ ataghuo nwa m! Onye ga-eberela m! Onye ga-asị m ebela. Ebere egbuola mo! Ewoo! Ewoo! Olee ihe m ga-eme? Olee ihe m ga-eme? Ụwadiegwu egbuola m gbuo nwa moo! Di m ị hụlanụ; m kwuo gị sị; mụ kụọ ya ihe gị abawa mba. Mụ enyeghị ya nri gị asị na mụ bụ agbara. Ị hụlanụ! Ị hụlanụ, ihe Ụwadiegwu mere mo!

*Amadị:* Ụlụmma ya ha gị otu a, ọ dịla mma; were ụwa otu e si hụ ya. Ọnụ anaghị akọcha ihe ọ hụrụ. Otu a hụrụ ụwa e were ya. Ihe mere eme emeela. Ibezi akwa bụ igbu mkpụrụ obi.

*Ụlụmma:* Oo! di m, eriela m arịrị nwa. Ugbu a ụmụaka m fọdụrụ sọ abụọ. Amaghị m ihe m ga-eme echi gị asị na mụ sịrị nke a ma ọ bụ nke a, gị akpọ m ọkworo di fụhuo ọkụ. Biko jie Ụwadiegwu aka ka mụ ghara ịhụ ya ọnụ n'ọkụ. Agwa ọ na-akpa n'ụlọ a ga-eme mụ amụnye ụlọ a ọkụ, ọkụ agbagbuo ya agbagbuo m. Chei; ụwa nke a ụwa m, ụwa m ụwa moo.

*Amadị:* Nwanyị mechie ọnụ gị. Kedụ ihe ị sịrị m mee? Ị sị m gbuo nwatakịrị a



ka ọ bụ mụ chụfuo ya? ahụ nsọ. Ọ ga-abụ mmad ma ọ bụ igbafu akụ na Nke ahụ ga-abụ ihe ọ mmadụ na n'anya Ọbasị

Cheta na ọ dịghị mma ọka nwata shịshanye ya Ụba anyị nwere taa bụ Ncheta anyị na-echeta nwoke Chukwuma na nw bụ Ụwadiegwu. Nchel nwekwara taa bụ Ụwadi cheta na ọ bụrụ na o anyị enweghị ihe ọ bụ akpọ nke anyị n'ebe ọ nọ n'ihi gị rechaa ala m. n'ihi gị bie ego nwere Ị kafuru m ego n'okwu oge gara aga. Ego nke nke m nyere gị ji zu o nweghị nke ị rifọrọ, anyị chụpụ Ụwadiegwu o nweghị ihe ọzọ anyị ihe ị sị m mee ugbu a? hapụ nwatakịrị aka. Ihe Ọbasị dị n'elu.

Emetụla nwatakịrị ah ha otu ahụ. Ụka nwat anwụ agaala, eli Ka ọ ha gị otu a.

*Ulụmma:* Oo, Ụwadịegwu merewe otu o si masị gị. Ihe sọrọ gị n'ụlọ a mewe ya. Ọ sọ gị aja ụlọ a kwaa ya ka m wee biri, n'ihi na nna gị kpajuuru anyị ụlọ n'ego.

*Ụwadịegwu:* [ *N'akwa*]
Nne m ukwu ndo, Ndonụ, bikonụ! Bikonụ! Unu esekwala okwu n'ihi m
Ozi diiri m n'ụlọ a aga m ejezu ha tinye mmezi, ma biko nne m ukwu hapụ m ka m na-aga akwụkwọ dị ka ndị ọzọ. Mgbe m tolitere aga m enyere unu nile aka n'otu n'otu ma Chineke nyere m aka nye m ike n'ihi na mkpụrụ ji anaghị abụ nwata afọ abụọ.

( Ụwadịegwu wee cheta nne na nna ya bewe akwa ọzọ)

Nne m kpọrọ m Ụwadịegwu
Nna m kpọrọ m Ọdịnkemere
Nwa enwe nne, une!
Ahụshiela m anya, une!
E jebe nkụ, une!
E bo ya nwa enwe nne, une!
Nwa enwe nne, une!
Ahụshiela m anya, une!
Mhụshị anya ka ọnwụ, une!
Nwa enwe nne, une!

*Ulụmma:* **Ta a nwatakịrị mgbabi a mechie ọnụ gị. Ọ bụ ihe i ji gbuo nwam?**



Afọ gbagburu gị i na-echetara m nne na nna gị. Ọ bụ mụ gburu ha? Mụ na gị enweghị okwu ọ bụla Nwa nne nna gị emeshiele gị obi ike. Kụbasịwa ala. Ị hụghịkwanụ nwa mbe ga-enyere anyị aka n'otu n'otu. Nwa ngwii erijubeghị afọ ya na-achọ onye ọ ga-enyere aka.

( Ha apuo)

## EMUME NKE ABỤỌ

( Ụwadịegwu ebido skulu si skulu na-abata)

*Amadị:* Nnọọ, kedụ ka skulu unu dị?

*Ụwadịegwu:* Skulu anyị siri ike nke ukwu. Onye nkuzi anyị nwere bụkwa ọkpọ nkụ. Ọ na-akụzi ihe nke ọma. Ndị nkuzi ji maka ụgwọ skulu m ji na uwe m kara aka n'azụ were apịa m oke ụtarị

*Amadị:* Ndo nwa m. Ọ ga-adịcha mma.

*Ulụmma:* A ga ha apịagbuni gị apịagbu. Asịrị m gị ejekwala skulu gị akpọchie ntị jewe. Ha jisie ike menyụọ gị anya. Nke ahụ gbasara gị.

Nye m efe mụ ahụ uzọ
Nwa m nwụrụ anwụ, ọ nọ ebee na-eje skulu?

*Ụwadịegwu:* Ọ bụ eziokwu na ha na-apịa m ihe maka uwe akwụkwọ m na ụgwọ skulu, ma ana m anwa oko m na klas Mụ na-agbara ha onye mbụ n'ule ọ bụla. Ha sị na ọ bụrụ na mụ agafee klasị nke isii na mụ ga-eje kọleji jee mụta akwụkwọ ukwu. Chi ọma adịghị abọ kwa ụbọchị.

*Ụlụmma:* Amadị di m Ị sị anyị nọdụ ebe a na-ege nwatakịrị a? Ihe a ọ na-atụ ọ bụghị isi mgbọwa? Lekwa uzọ jewenụ kọleji ebe ị bụ obu nna ya uzọ mụta dị ọkpara. Ọ ga-adịnụ gị obi mma ije kọleji ma ego adịghị a ga-eji azụ gị. Ị gụruo akwụkwọ isii gị achọrọ ọrụ. Ọ bụ ụmụaka m ga-enwe ike ije kọleji. Ekwu-chaalam.

*Ụwadịegwu:* Nke unu kwutere ya dị otu ahụ. Ohu anaghị aka nna ya ukwu. Onye a na-enye enye anaghị agba nhọ. Ma ọ bụrụ na Chukwu nyere m aka, ihe dum ga-aga nke ọma. Ihe chị fotere, ya rie. Mbe nọ n'olulu ya ruo mgbe a ga-ewepụta ya, ya asị ụmụnna ya mee ọsọ ọsọ na nsị na-esigbu ya.



Ya dịwa otu ahụ
Onye nkuzi anyị sọ n
ya ga-akọrọ unu maka

( Mbata onye nkuzi Ụ
Holyoak)

*Holyoak:* Good evening all.

*Ụwadịegwu:* Ọ sị unu ndewonụ, ehih

*Ụlụmma:* Ụwadịegwụ ya ha gị
Akparịzịla anyị n'ihi sk
na anyị bụrụ ndị isi n'a
na anyị amaghịkwa
goodi ivin?

*Ụwadịegwu:* Biko nne m ukwu lee ik
ghara m. Amaghị m sị
ihe nna anyị ukwu a na-

*Holyoak:* I hope everything is al
I have come to say hello
to tell you that my schol
Ụwadịegwu, is very go
and he is very brilliant.

*Ụlụmma:* Ụwadịegwu, ihe a nna
na-asụ bụ gịnị? Mgbe
ivin mbụ, aghọtara m y
na-ekwu ugbu a, ọ bụ
ọ na-agwa ka ọ na-agwa

*Amadi:* Aha! Amachaa m ihe ụwa. Ngwanụ nke a anyịla gị. Ị chọrọ gịnị ugbu a?

*Ulumma:* Biko nwa m, kọwara anyị ihe a ọ na-asụ frị frị frị frị. Ọ dịghị ndị ọcha anyị bụ na-ekwu n'imi n'imi.

*Uwadiegwu* ( O kwuo n'onwe ya kpọ nwanyị ahụ amara emete)

*Ulumma:* Ụwadiegwụ, ị sị gịnị? ị kpọrọ m aha? A-a-amadị ọha kụgbuokwa gị. Oọ! ya dịwanụ. Nwa anụ ọhia a na-akpọ m iyi n'ihu nna ya ukwu.

Uwadiegwu: Nne m ukwu hapụganụ. Emebọla m n'ihụ ọnye nkuzi m ugbu a.

*Amadi:* Biko nwa m tapịara anyị okwu bekee onye nkuzi gị a.

*Uwadiegwu:* Ọ dị mma, ndị o kwuru agaala. Ya bido ọzọ, mụ atapịawa.

*holyoak:* Tell your parents that I have brought your report card to them.

*Uwadiegwu:* O sị m gwa unu na ya wetaara unu ihe nkọwa maka otu m si gụọ akwụkwọ n'ụlọ akwụkwọ.

*Ulumma:* Ọ gwụla, ka ọ fọrọ? E chere m na



o wetaara anyị ego.
mpekere akwụkwọ ata
n'ụlọ anyị ebe a, ha ab
akwụkwo dị iche iche?

*Holyoak:* Your son Ụwadiegwu
ligent and in their last
first with a big margin i

*Uwadiegwu:* Ọ sị na nwa unu Ụwa
mụ na mụ ma akwụk
na mụ bịara onye mbụ
klasi gachaa onye ọ bụl

*Amadi:* O o, Ị gbalịala nwanne
sikwara na agwa gị d
skulu nke mere ka o
jiri wee chọta gị weta
ihe ngosị nke ụlọ akwụ
Ugbu a achọrọ m ka ị
anyị dị ụtọ na ọ bịa
Nke a gosikwara na il
ibe ya.
Ya biko akọla anyị ọji.

*Uwadiegwu:* I am grateful to you fo
to see your scholar in
to bring us news of
in the school. This sh
good deed follows a
have asked you not to
giving you kola.

*Amadi* Ugbu a,ego adighị m n'aka iji ziga ya kọleji ma ị ga-ejisi ike tinyere anyị ya n'ọrụ n'afọ ọzọ mgbe ọ gusịrị akwụkwọ nke isii.

*Ụwadiegwu:* Now I have no money to send him to college, but you will try to help me find him a job when he finishes elementary six.

*Holyoak:* Thank you for receiving me. I shall do my best to find him something to do next year. Thank you for everything,good-bye.

*Ụwadiegwu:* Ekelee m unu nke ọma maka otu unu si nabata m. M ga-ejisi ike tinye ya n'ọrụ n'afọ ọzọ. Nọdụnụ mma. ( Onye nkuzi Holyoak apụọ). Ụwadiegwu wee dupụtụ ya mesịa bata.

*Ulụmma:* Ụwadiegwu ajọ nwa, i jere kpọta onye nkuzi unu ka o wee hụ otu mụ na di m si wee biri. I chere na ị kpọta ya,di m ejiri anya ihere jee bie ego tinye gị na kọleji? Ọ ga-ara gị ahụ. I burula ihe i bu n'ụlọ ebe a bupụọ n'ezị? Nwata etoghị eto chọwa ihe gburu nna ya, ihe gburu nna ya egbuo ya. Kà ọ ha gị otu ahụ. Nwata mgbabi ihe ọma na-agba afọ. ( Ha pụọ) . Ọkụ anyụọ.



*Emume nke Atọ*

( Na mbido afọ
akwụkwọ isii apụta.
egwu Ọdịnkemere gaf
O teghị aka ọ chọta ọr
ụlọ akwụkwọ dị ha ns
isi ụlọ akwụkwọ ah
ọhụụ n'ulọ akwụkw
esọmokwu ya na Ụwa
anya onye isi ụlọ a
akwụkwọ ka a chụọ y
Arịrịatụra Nwigbe, Ta
Amadị na Ụwadiegwu)

*Arịrịatụra:* Ụwadiegwu, rịzọlt unu
ụnyahụ.

*Ụwadiegwu:* Eziokwu? Olee ndị
n'ule ahụ? Anụrụ m n
jọrọ oke njọ. Ihe ha le
n'ule ahụ siri ike
takwanụ akpụ. Ewo!
nke m? Ị ma ma aha m
mmadụ ole gafere?
kọọrọ m.

*Arịrịatụra:* Unu dị mmadụ iri lere
ọ bụ nanị gị bụ onye ga
Ndị ọzọ daruru ala n
ahụ dum no n'ebe ah
na akwa na-eme.

*Ụwadịegwu:* Ekele dịrị Chukwu, ma ngafe n'ule nke m enweghị isi ebe ọ bụ na ọ nweghị kọleji m ga-eje. Nwanne nna m nwoke enweghị ego. Nne m na nna m adịghịkwa ndụ. Ewo, Chi m egbuola m sị ọgọdọ kwere ndị ọzọ ukwe ya adịkwala m mma. Ka a na-elenụ. I meela.

(Arịrịatụra apụọ) (Ụwadịegwu ekwube n'onwe ya) Chi nwa ngwii olee ebe ka ị nọ? Chukwu bi n'elu, Ị dị n'ụra ka ọ bụ gịnị? Biko nna m gwa m ihe m ga-eme ugbu a. Ụbọchị ga-esiri m ike. Ihe nhịahụ ga-egbu m ma ọ bụrụ na I nyereghị m aka. Nna, onye nyere nwata jị, ya nyekwa ya mbazu o ji egwu ya. Ewo nna m n'aka gị ka m nọkwa.

(Mbata nke Amadị na Taagboo)

*Amadị:* Ụwadịegwu! Ụwadịegwu!

*Ụwadịegwu:* Saa!

*Amadị:* Onye nkuzi gị bụ Holyoak detere akwụkwọ sị gị bịa bịdo nkuzi n'ọnwa ọzọ. Ị ga-ejekwa? Nke a bụ Hedimasta gị.

*Ụwadịegwu:* Nna m ukwu ị biala? Nnọọ



*Taagboo:* Oo daalụ.

*Ụwadịegwu:* Nna m, ị sị gịnị? Ọ
Ị na-ajụ m ajụ? Ony
ụdara ọ zọtara n'ụkwụ
ya ọzọ? Aga m eje ebe
m ga-eje n'ihi ego.

*Taagboo:* Ụwadịegwu, skulu ị ga-
ebe a ma ị ga-ebi n'i
ọrụ anyị wee gaa nk
onwe m bụkwa onye i
kwọ ahụ. Ka e mesị
ị bịara.

*Ụwadịegwu:* Nna m ukwu i meela Nd

*Amadị:* I meela (hedimasta). Ị m

(Ha apụọ)

(*N'ime ụlọ skulu* n'Ọ
ụlọ akwụkwọ)

*Taagboo:* Onye isi klasi Ụwadịegw
Gaa kpọọrọ m onye nku

*Nwata akwụkwọ:* (Gbara bịa) Nna any
ya. (Pụọ).

*Taagboo:* Ọ dị mma.

( Mbata Ụwadịegwu na nwa akwụkwọ ahụ)

*Ụwadịegwu:* Gudu mọnị Sa

*Taagboo:* Gudu mọnị, Kedụ maka ọrụ, ị nahụ arụ ọnwa atọ? Ama m na ọ masịrị gị.

*Ụwadịegwu:* Ee nna m ukwu. Ọ dị m mma.

*Taagboo:* Jisie ike n'ụlọ skulu na-abịa n'oge dị ka ị jị abịa n'ihi na oge ụfọdụ anaghị m enwe efe n'ụlọ n'oge a.

*Ụwadịegwu:* Kemgbe ụwa m ana m aga ihe n'oge n'ihi na abụ m nwa ngwii. Ọ bụrụ na mụ ejeghị ozi n'oge,nne m ukwu na-egbu m ilu ọjọọ.

*Tagboo:* Ọ dị mma, ihe dị mkpa bụ jisie ike hụ na gị kuziri ihe nke ọma.

*Ụwadịegwu:* A nụla m,ma achọpụtara m na ị na-aghọghụ ụmụ skulu nke ukwu n'ihi na ị naghị eme ihe n'oge mgbe ọ bụla kemgbe izu ụka atọ mụ jiri bịa ebe a ana m ahụ ihe ị na-eme. O nwebeghị ubọchị ị bịara skulu n'oge. Ọ bụ otu ndị isi ụlọ akwụkwọ ibe gị sị eme? Ahụbeghị m.

*Taagboo:* ( N'iwe wee sụwa nsụ) Me-me-



mechie ọnụ nwụrụ a
shọọtọpụ ịjiọtụ laịk
onwe, gị nwa anụ ọ
Nwatakịrị a gome
nọmba nkuzi bịara ikp
ihe ahụ ọzọ, egosị m
akwụkwọ m na-aghọ
na ejighị m aka tig
ọhịa! Pụọ ebe a mụ ah

*Nwata Akwụkwọ: Isi Klasị:* Egbukwala onye n
dịegwu n'efu n'ihi n
okwu. Ọ bụrụ na ị na-
n'oge,ọ gaghị ekwu ih
ugbu a.

*Taagboo:* Bịa nwa m, gị na ụm
izu ịkpari m n'ụtụtụ a
Ụgbụmoo! Ya bụrụ ọ

*Ụwadịegwu:* I jọrọ njọ ahụ, jọ
abịakwa skulu mgb
I nọkwa n'ime ya n
gị n'okwu bekee ọjọọ
A sị ha na onye n
nkuzi agaghị ahụ ụzọ

*Taagboo:* Nke a akarịala! Arịrị
Aga m ewe okwu a g
Gị apụghị n'ebe a,m
abụọ agaghị anọ n
ọjọọ adịghị m mma

Ụwadịegwu e tịnyere n'ọrụ ụbọchị a bịara igosị m. Anyị gà-ahụ. Anụ ọhịa! Tụfịa!

*Ụwadịegwu:* Ihe ọ sọrọ gị mee. Ma gwa ndị isi gị ihe m kwuru na ihe ị na-eme. Ma ka m gwa gị ị chụọ m n'ụlọ akwụkwọ gị, ị chụghị m n'ụwa a; ị chụọkwanụ m n'ụwa a, anyị ga-ezukọ n'igwe. Ma a sị oke ebula ụzọ ata akpa dịbịa ma dibịa amala ama ahụ oke ọnụ n'ọkụ. Onye na-enweghị ihe ọ bụ enweghị ihe ọ ga-akụwa. Ọchụ nwa ọkụkọ nwe ada, nwa ọkụkụ nwe nwa mwemwe ọsọ. Ihe ọ sọrọ gị mee, ala agaghị efu efu.

( Ha pụọ. O teghị aka Ụwadịegwu anata akwụkwọ ozi nke sị ka ọ kwụsị ọrụ ozigbo) .
(Wepụta leta ya, gụchaa ya kwe n'isi.)

*Ụwadịegwu:* Ihe a na-eche emeela. Taagboo emeela uche ya. A sị na onye nwe ọkwa nwe ike ma onye nwe ike nile bụ Chukwu.

( O chee echiche nwantịntị)
Olee ihe a ga-eme ụwa nke a, e mezie ya? Nne m anwụọla. Nna m anwụọla Ụmụ nne m nwụkwara anwụ. Nwa nne nna m abụghị ezigbo mmadụ n'ihi na nwanyị ya anaghị ekwe ya mara nke bụ nke. Amaghị m ebe



m ga-ele anya. Amaghị m i
eme. Enweghị m azụ, en
ihu. Ọ dịghị ebe m ga-ada
ọji. Ebidoro m na nwa
ahụhụ. Ebidoro m nkuzi w
ọnụ m. A daghị m iwu ọ bụ
ọ bụ eziokwu chụpụtara m n

Hedimasịta Taagboo O
Chukwu lewe gị! Gị bụ on
na ekworo chụọ m n'ọrụ. Ọ
ọ bụ ihe ọjọọ ka m mere, e
mụ n'ọrụ, Chineke ma. Ma ọ
eji m eziokwu na okwukw
ọkụ na-arụ ọrụ, Chineke me
bụrụ ezi mmadụ ka e wee
okwu. Eziokwu, Eziokwu
anwụ anwụ. E lie ya n'ala
ka osisi. A tụnye ya na m
n'elu. Eziokwu dị ndụ.
Ọbasị di n'elu lee nwa ngw
gị ka m gbabara. Ewo, ụwa
( O wee pụọ) Ihe mee elu
agà m ahapụ ala a. A ga m
zopụ gaa Amerika. Ihe Ọ
pụta. ( Ihe wee mee otu
Ụwadịegwu wee zopụ gawa
wee ruo ebe ahụ malite rụwa
mgbe o nwetara ụlọ
nabatara ya. Ụlụmma
kwarị ka o sị ekwu na nwata
Ụwadịegwu abaghị uru ọ bụ

*Mbata Nke Ụlụmma Na Amadị*

*Ụlụmma:* Nwa anụ ọhịa ahụ apụọla jee ebe ahụ chefuo ụlọ. A sị na ọ nọ n'Amerịka.

*Amadi:* Ọpụpụ Ụwadịegwu na-eche m uche nke ukwu ugbu a. Anyị anụghị dum, anyị anụghị yọm. Nwata na-ejighị uwe ma ihe orịrị ma ego, onye ma otu ụwa dowere ya? Onye ma ma ọ dịkwa nke bụ ndụ? Ewo!

*Ụlụmma:* Ọ ganụ anwụ anwụ n'ebe ahụ ọ nọ. Leenụ ihe a, ọ bụkwa nwatakịrị m hụsiri anya wee zụlite. Nwa a, Ọ bụkwa nwatakịrị nọọrọ ebe a na-erịchara m nri mgbe nile! Amadị i hụlanụ! Ọ bụrụ na amatara m ebe ọ nọ, ana m ejeere ya ugwọ ka ọ kwụọ m ugwọ ego anyị ji zụọ ya.

Agwara m gị agwa na anyị na-azụjị aka n'ebe nwa mmefu ahụ bụ Ụwadịegwu Ọdịnkemere nọ. Ị naghị ekwe nke m kwuru. Ugbu a ọ meelanụ gị n'anya dị ka onye anwụ okọchị wakwuru n'ụra.

*Amadị:* Ekwukwala otu ahụ. Ihe anyị ga-arịọ Obasị dị n'elu bụ ka o duo ya ebe ọ nọ meekwa ka ọ welatara anyị ọ bụladị nanị okpokoro isi ya. Nke ahụ ka mkpa.



*Ụlụmma:* Ị ga-ata okpokoro isi ya
okpokoro isi ya, i ga-eji y
Ị ga-eri ya eri?

( Ọ ma Osụ. A kụrụ aka

*Amadi:* Onye na-akụ ihe ahụ, bata

*Mbata Nke Ụwaọma*

*Ụwaọma:* Ewetara m leta a na pos o
ka ọ bụ aka enyi
Ụwadịegwu Ọdịnkemere.

*Amadi:* I kwuru eziokwu? Biko t
leta ọsọ ọsọ guọrọ m.
wee tọpee ya, guọ ya n'
kọọrọ Amadị na nke
n'ime ya) .

*Ụwaọma:* Ụwadịegwu detere ya. O
ya mere unu, unu gba
jisie ike zitere ya ego
nọ na mkpa na nramahụ

*Ụlụmma:* O kaa o mee! Unu ahụla
m na-ekwu maka ya.
Nwa ahụ na-achọ ihe
n'ọnụ. Biko piachie leta
chịrị ya sị na anyị anatag
ya otu ahụ. Nke a abụghị
na-ahụbeghị mbụ. Ụmụ

otu ọ na-adị ha. Ha amaghị nmezi, ha amaghị ihe ọma. Ọ bụ ka o si adị ha.

*Ụwaọma:* Nne m ukwu, oleekwanụ otu m ga-esi eme nke a? Ọ bụrụ na a tọpeghị ya atọpe, a mara, mana ugbu a ị tọ-peela ya gụchaakwanụ ya. Olee ụzọ a ga-esi emechikwanụ ya? Biko werenụ akwụkwọ unu. Alaa m.

*Amadị:* Hapụ nke ahụ o kwuru. Ọ na-abụ-karị ụka n'ike. Nwatakịrị a dere leta ị maghị ma ọ dị ndụ ma ọ bụ ọ na-anwụ anwụ. Ị maghi ụdị nsogbu o nwere. Nye m akwụkwọ ahụ nwa m ma laa n'udo.

( Ọ pụọ)

( Mbata Oringaọhụrụọkụ, Ọ kụọ kpọ, kpọ, kpọọ!)

*Amadị:* Batawa.

*Oringaọhụrụọkụ:* O kwuwaala ọnụ, kwụpụ ike. Ekwuru m ekwu na Orie ukwu ga-esụ esu. Ụlụmma nwanyị ọjọọ, chere mụ agwa gị ihe ị na-amaghị. Ụbọchị Ụwadịegwu gachara lọta ị gaghị amatakwa ya. Olee ihe na-afụ gị gịgaga? Lee otu obi ọjọọ na agụrụ si



menyụọ gị na ụmụ gị
otu unu bụ agịrịga a
ogwu azụ. Agwara m g
ị were ṅwayọọ na-eri ihe
na-ahụrị ji ụtụtụ amag
agwụ ma ụtụtụ ga-afọ
gwara nwata ma o meg
gịnị bụrụ ya okenye? N
ala, Ụwadịegwu Ọdịn
agarachaa alata. ( O
ukwe)

Owe nle ele owe aya
Owere emegbuola anyị s
hamle! Ikpe amara n
Ha na-awụ ama ụjọ ha
ekpegbuola anyị sị any
Agbara hamle! ( Ọ pụọ)

*Mbata Nwakọ*

*Nwakọ:* Nne m akpọọla m ndị ị
Ha nọ n'ọnụ ụzọ na-eche

*Amadị:* Bịa nwa m, ị sị gịnị? Ony
ha?

*Nwakọ:* Ọ bụ nne m sị kpọọ ha
ihe ya ga-agwa ha.

*Amadị:* Nwanyị, Ị ga-egbu onwe
Olee ihe gị na ndị ọha
Ị ga-agwa ha gịnị? Ị na-as

anya? Asọkwa! Emebọwolo di gị.

*Ulumma:* Hapụ m aka. Achọrọ m ikọrọ ha ihe dum. Ihe a m dị ebe a ọ bụ ndụ? Ihe ị ga-eme bụ na ọ'bụrụ na mụ anwụọ taa, ị lụghara nwanyị ọzọ, ụmụaka m araa ngwii. Nwakọ, biko kpọbata ha. ( Ha abata) .

Ọ bụ mụ kpọrọ unu sị unu bịa letara m. Onye na-amaghị, ibe ezi ya. Biko gwanụ Amadị di m ka ọ zie Ụwadịegwu ozi ka ọ kwụghachị anyị ego nile anyị jiri zụọ ya. Nke ọzọ achọkwaghị m- inụ akụkọ gbasara Ụwadịegwu na mbara ezi a ọzọ. Leenụ ka mụ na ụmụ m si wụsara ka azịza e ji aza ezi. Nwakọ! Oziọma! ( Ọ kpọọ ụmụ ya abụọ) .

Ndị a bụ ụmụaka m. Lezuonụ ha ahụ lee otu mụ na ha dị. ( Ha amaa ọsụ) . Ụwadịegwu, onye a zụrụ na skulu, ya agafee akwụkwọ isii kemgbe afọ iri na otu.
O rubeghị mgbe ọ nwere ike ibinye mụ na ụmụaka m ọ bụladị ncha nkịtị sị anyị jiri saa ahụ? Ma ọ bụ oge o rubeghị ya ị zụtaara m uwe ma ọ bụ akwa? Ọ zụnye m akwa, ọ gaghị adị m mma? Ya zụnye m uwe agaghị m eti ya? Mụ na ụmụaka m



saa ncha ya, anyị rụ
m na-ekwụ Amadị eb
Onye zụrụ nwa ngwi
Ibe m ọ bụkwa ihe m
unu. Ahụjụọla m an
ga-eri uru, nwatakịrị
zitere ya ego. Otu a a
o lee ebe ego ahụ dị?
ọ bụ isi ihe m ji kpọ
maziere anyị.

*Agadị nwanyị:* Eyoo! Ezi nwanyị o z
lịala. O nweghị nwa
ime ihe ị na-eme n'o
Ọ bụrụ na nwata a
ihe o nyere unu kem
otu ahụ, ọ rụrụ ala
Onye sị na imi nkịta
charanụ ya taa. Ihe ọ
ime nwatakịrị ahụ, ọ
anyị dị na ya.

*Nwanyị ọzọ:* Ụlumma, okwu gị m
ukwu. Ihe ọ bụla ị ch
Ụwadịegwu, ukwu a
Ekwekwala ya bata
ọ bụ ọgbaghari udu
ngwii e meziri ihe, afọ

( *Oringaohuruoku amabata*)

*Oringaohuruọku:* Ndị ọdụ nahụ adụ gị. C
kwe. Onye sị gbuo

chetakwa na ụmụ nke ya nwere ike ịra ngwii mgbe ọ bụla. ( O wee kwewe ukwe ọzọ maka nwa ngwii)
Esiwe esiwe, Une!
A chupu nwa enwe nne, une!
A hụwa ahụwa, une!
A chupụ nwa enwe nne, une!
A rụwa ọrụ, une!
A chọba nwa enwe nne, une!
Nwa enwe nne. une!
A hụshiela m anya, une!
Mhụshi anya ka ọnwụ,une!
Nwa enwe nne ololoolo..............
A hụshiela m anya
( Ha nile pụọ ọkụ nyụọ)

## EMUME NKE ANỌ

( Ụwadịegwu wee lọta n'atụmadị n'akụghị ekwe ọ bụla, n'amaghị ọkwa ọ bụla. O wee lọta n'ụlọ ha dị ka onye na-agafe n'ije n'ejighị ihe ọ bụla. Mbata ya na Ụwakwe. Adaego na Akụnne)

*Adaego:* Onye a,ọ bụ onye? ( O lezie ya anya nke ọma) Bịanụ lee Ụwadịegwu, Ọ lọla o. O mechaala agadị. Leenụ ya na afụ ọnụ ya o!

*Ụwakwe:* Ee! Uwadiegwu, nnoo. I lọla.



Chukwu emeka! Anya
ọzọ! Chukwu daalụ! Ọ dị
ebe a ka ebe nile dara jụụ?

*Ụwadịegwu:* Ahụla m ụmụaka ab
nwanyị nọ n'ime ụlọ. Ka
aka ike ka mmadụ pụta.

( Nime ime ụlọ

*Ulụmma:* We gbarụọ ihu ya na-
ya mba na ha bịarạ ihụ
nwoke ahụ n'ihi na ọ di y
aka efu wee lọta) .

Onye ahụ unu na-eje
onye? Olu ahụ ọ dịghị k
ọjọọ ahụ bụ Ụwa
Ụwadịegwu ọ nwụbeghị
ụwa ọzọ kemgbe?
Mechierenụ m ụzọ
ọsọ mgbe Amadị lọtara
emeziri. Nke a,ọ bụ ahụb
ka ọ bụ amakam ihe!

*Akụnne:* Bịanụ ka anyị pụọ jewe n'
ihe onye na-ahụbeghị m
mgbe na-eme. Ị sị na isi d
nyị ahụ mma?

*Ụwadịegwu:* Nke a bụkwanụ gịnị?

*Akụnne:* Asị m gị ka anyị jewe
Ma ka m jụọkwanụ gị, o
i bu lọta?

*Uwadiegwu:* I makwa na enwere m moto n'Amerika, ma enweghị m ike buru ya lọta, ma ebulatara m redio mụ na ihe e ji ese foto, ụmụ uwe na ihe ole na ole ndị ọzọ. E mesịa aga m enwe ike igota ihe ndị m chọrọ.

*Akụnne:* Olee ihe bụkwanụ ihe ị mụrụ n'Amerika i ji wee nọọ afọ iri na otu ebe ahụ?

*Uwadiegwu:* Amụrụ m ọrụ injinia.

*Akụnne:* A sị ha na ọrụ injinia dị ọtụtụ, Olee nke ọ bụ n'ihi na ebe a na-arụ ọrụ na Jos, a chọrọ ndị injinia dị iche iche?

*Uwadiegwu:* Abụ m injinia nke ọrụ igwe, ihe a na-akpọ n'ọlụ bekee mekanịkal injinịa. M sịkwanụ na nnukwu ụlọ akwụkwọ ukwu ebe a na-amụ ọtụtụ ọrụ aka dị iche iche a na-akpọ Havad Yunivasiti pụta.

*Akụnne:* Ọ bụrụ otu ahụ ị gụrụ akwụkwọ mụtakwanụ ihe dị mma. Ntị ahaghị otu ahụ a ga-eji ya kpuchie ụlọ? Ugbu a anyị ga-edere ndị Jos akwụkwọ ọrụ. Eji m aka na ha ga-ewere gị n'ọrụ ngwa ngwa, ma echere m na ọ ka mma anyị jee Jos



ọsọ ọsọ karịa ịnọ n'
leta ha.

*Uwadiegwu:* Ọ dị mma otu ahụ.
a naghị agbagha ya agba
fotere ya rie. Ka anyị jee
ọkụ anyụọ)

Na Jos Ụwadiegwu n
dị mma nke a ga-akw
ọnwa dị mma. Ọ chọta
nwagbọghọ onye Igbo
wee lụọ di na nwunye,
wee kwado ịlọta ụlọ n'ụz
ya na oriakụ ya. Oziom
ọkpụkpụ azụ. Ha anagh
afọ nke ha na-eje akwụ
enweghị ego)

## EMUME ISE

( Nlota nke Ụwadiegwu na oriakụ ya na ngw

*Amadị:* Leenụ ndị na-abịa.
( Gapụta n'ezi)
Leenụ nwa mo! Leenụ Ụwa
Ụwa m nnọọ, nnọọ
Chukwu ekele! Nnọọ, nnọ

*Uwadiegwu* ( Makụọkwa ya) Ee nna n
I meela. Alọla m! Ekele dịrị

*Amadi:* ( Amadị wee makụọkwa Ụwadịegwu wee na-asị ya nnọọ mesịa sị:

Hei! Ụwadịegwu olee ebe i si lọta? Oleekwanü ihe i mere n'ebe ahụ?

*Ụwadịegwu:* Nke mbụ, esi m Amerịka lọta ihe dị ka otu afọ taa, wee bịa ka m hụ gị, ma mgbe m bịara, nwanyị gị bụ Ụlumma hụrụ anyị gbaba n'ụlọ kpọrọ ụmụaka ya gbachie ụzọ n'ekweghị ka anyị bata.

*Amadi:* Ọ bụ eziokwu ka ị na-ekwu ihe a?

*Ụwadịegwu:* Jụọnụ Akụnne, mụ na ya kwụrụ bata ụbọchị ahụ. N'eziokwu ị nọghị n'ụlọ ụbọchị ahụ n'ihi ya enyi m bụ Akụnne wee kpọrọ m laa n'ụlọ ya. E mechara mụ na ya ejee Jọs ebe mụ ruru wee bido ọrụ bekee nke m na-arụ ugbu a.

*Amadi:* Ewo! ewo nwa m! Nke a, ọ bụ ihe i na-agwa m? Ruo taa o nwebeghị onye gwara m. Anụbeghị m mana ehihie ma ọ bụ abalị. Nnọọ, nnọọ, nwa m.

*Ụwadịegwu:* Ewoo! Ọ bụkwanụ gịnị mere na ị jụtaghị ebe mụ onwe m nọ kemgbe afọ iri na abụọ ruo taa?

*Ọbịageri:* Ihe a ị na-ekwu gbara m gharịị.



Onye a, ọ bụ nwanne
ahụ ị na-akọrọ m mak

*Ụwadịegwu:* Ọ bụ ya. Ọ bụ nna
Amadị n'otu nne
dị ka m si kọọrọ gị
ekweghị ya ka ọ m
onye m bụ; o kwegh
ọbara jikọtara mụ n
chefuo na ọbara siri ik
na anaghị ahapụ isi a
chefuo na anya bewe, i
Eziokwu m chet
nwanyị mere n'oge
ekwe m rie ihe. Ọ n
na-agbawasịkwa m ol
Ọbasị dị n'elu sị ya
Ya meekwa ka ọ na-
mmasị na ịhụnanya
ibe ya. Ka anyị hapụ ih

Dee m Amadị, olee
ukwu ya bụ nwanyị gị
Nwakọ na Oziọma?
ọzọ ma ọ bụ ụmụ ọz
mgbe m pụrụ? Biko k
hụ ha anya.

*Ọbịageri:* Biko kpọta ha ka m
anya.

*Amadi:* Biko nwanne m; ezi

nwanne dị ụtọ, biko gbaghara, ma onye gị na ya so ọ bụkwanụ onye?

*Ụwadịegwu:* Aga m akọrọ gị maka ya mgbe nne nnem ukwu bụ nwanyị gị batara.

*Amadị:* Ụlụmma, Ụlụmma!

*Ụlụmma:* Ei!

*Amadị:* Bịa ebe a.
( Ụlụmma wee were nwayọọ mịbata ịma ihe ọ bụ e ji akpọ ya oku. Mgbe ọ batara o nweghị ike ịkọta ma ọ bụ ịmata onye Ụwadịegwu bụ ọzọ) .

*Ụwadịegwu:* Ahaa! nne m ukwu. Madam! o lee otu ị dị? Oleekwanụ maka ụmụaka gị? Nke ị na-ele m otu a, ị matakwara onye m bụ?

*Ụlụmma:* ( Na mgbagwoju anya) Nwa m, amataghị m onye ị bụ. Amadị dị m, ị makwa na ọ bụrụ na Ụwadịegwu nwa dị m ọjọọ ahụ ejighị aghụghọ nọgide onwe ya ọ na-eto eto nke ọma dị ka nwa okorọbịa . Ma biko nwa m gwa m onye ị bụ ị ma na chi ejimiela. Anyị aghọọkwalanụ okongwu.

*Amadị:* Wedata anya n'ala. Lezie nwa



okorobịa a anya nke
wetara gị enyo anya gị?

*Ụlụmma.* ( Wee lezie anya nke ọ
na ọ bụ Ụwadịegwu. (
tie) Hei! Ụgbụ moo! Ụ
ala. Onye a,ọ bụ onye?
( Ọ basie ya ike
Ụwadịegwu! Aaa! M
Onye egbula onwe ya
omimi. Amadị di m ị h
mụnụ! Ụwadịegwu!

*Ụwadịegwu:* Nne m ukwu, ụta adịghị
emewele m agadị adịzig
m dị mgbe ahụ. Biko
ụmụaka gị Nwakọ na
dịkwa mma? Biko jee k
agụrụ ha na-agụsi m ik
Ọ dị m mkpa ịhụ ha.

*Ụlụmma:* Leenụ ha ka ha na-ab
agịrịga agịrịga dị ka o
Ụwa adọlịgbuola anyị
Ị pụrụ ha na mhụsi an
ụwa. Mgbe ụfọdụ anyị
tụrụ rachaa. Ihe ndị a m
aka m ndị a dịzie ka ogw
ọ bụghị na ahụ adịghị ha

*Ụwadịegwu:* Nne m ukwu chefuc
Ekele dịrị Chukwu na

ndụ. Ọ bụ ihe ịtụ mmamma na ikele Chukwu ekele. Ụmụnne m obi dị m ụtọ ịhụ unu ọzọ na ndụ. A sị onye chefuru ochie onye na-eri ọhụụ enyekwala ya. Ihe nnụnụ ji dị ibu bụ abụba ya. ( O wee bilie n'ịkwa akwa nke ọñụ na obi ụtọ wee makụọ nwanne ya nwoke na nwunye ya na ụmụaka ha. Ọñụ wee gbuo onwe ya. Ụlụmma wee kwaa akwa nke ukwu ma Ụwadịegwu jidere ya aka na-eti ya aka n'obi na-asị ya esogbuzila onwe ya) .

*Ụwadịegwu:* Biko ekelee m unu. Ekelekwara m Chukwu bi n'elu ekele n'ihi na O mere ka mụ na unu hụkọrịtakwa anya ọzọ. Onye a unu hụrụ ebe a bụ oriaku m ugbu a;abụ m onye ọrụ Bekee, ugwọ ọnwa m bukwara ibu. Aha mụ zara mgbe m nọ n'Amerịka bụ Babingto Dọglas Nwokoro onye injinia. Ụgbọ ala unu nụrụ opi ya nke dọrọ n'azụ ụlọ bụ nke m. Aha ụgbọ ahụ bụ Impala, ọnụ ya dịkwa ukwuu. ( O wepụtawa ihe ụfọdụ nyewa ha n'otu n'otu) . Nne m ukwu, nke a bụ akpatị uwe na akwa na akpụkpọ ụkwụ.
Ụmụ ururu ihe ndị a bụ nke gị na di gị na ụmụaka gị. Ihe a m jikwanụ ebe a bụ ihe ndị ọcha na-akpọ



'plan' anyị ga-eji ew
ụlọ elu n'ama a nke
ebikọ ọnụ. Ụmụaka u
Oziọma ga-ebidokwa j
Ha ga-agakwa ala I
gụchaa na kọleji. Ala
aga m asapụtacha
naira iri ise a ji l
zụta ihe oriri ji kp
anyị n'ala Nguru an
rie ñụọ ka ha sorokwa
Chineke maka ihe ọ
anyị.

( Mgbe ọ na-ekwupụ
nwanyị ndị ogbe ahụ
na ụmụaka na ndị
na-atụ n'elu na-atụ n'
isi ndị ụmụ nwanyị w
ha) .

*Onye isi ụmụ nwanyị:* Hei, hei, he he he

*Ndị ọzọ:* Hee, hee!

( Ha ebido gụwa egwu
Ma ọ bụghị ma nwa
enye m?
Ukwu jọọji, Onye ga-e
Isi anwụrụ, Onye ga-e
Okporoko, Onye ga-e

Ugbo ala, Onye ga-enye m?
Ma o bụghị ma nwa
Onye ga-enye m?

*Ha aguọkwa ọzọ si:*

Imirimo bara nwa!
Ya rusa onye ya rusa mo,
Imirimo bara nwa!
( Mgbe nke a na-eme, otu onye isi ndị nwoke nọ ebe ahụ, aha ya bụ Akụbụeze wee bikwee, keleẹkwa ndị nwoke na ọha na eze nọ ebe ahụ) .

*Akụbụeze:* Tii ii!
*Ndị ọzọ:* ho!
*Akụbụeze:* Tii ii!
*Ndị ọzọ:* ho!
*Akụbụeze:* Ụmụnna rienụ!
*Ndị ọzọ:* Aha!
*Akụbụeze:* Ñụọnụ!
*Ndị ọzọ:* Aha!

*Akụbụeze:* Anyị ga-adịnuo. Ọbasị dị n'elu anyị ekelele gị. Nna nna anyị ha, anyị ekelele gị. Ọgọdọ dị ndị ọzọ mma n'ukwu, ya dịkwa anyị mma n'ukwu Ihe ndị ji dị mma, ya akọkwala anyị. Ndụ anyị nile o!
Ise o.



*Akụbụeze:* Unu ahụla ihe mere ugbu
e ji ekwu sị nwa ewu
fughị, na ọ ga-apụ n'ikenga
ahụ apụtala ihe taa. E kw
onye hụrụ nwa nne ya
n'ụlọ ya nye ya mmiri nye
afọ n'ihi na ọ dịghị on
nwa ahụ ga-abụ n'ọdị
ahụla ihe okwu ndị ah
Ikekwe ọtụtụ n'ime u
nwatakịrị a, ụfọdụ amagh
n'ihi na mgbe ọ pụrụ et
Anyị chere na ọ nwụọlar
ndụ taa. Ugbu a ọfọ nna n
emeela, ọ lọta n'udo bụrụ
kwo n'ihi ya na-agbak
n'ehihie a taa. Lee ihe nile
ọ bụladị nwa Otuihegeme
mmiri lọta, o bulatara ihe
Lee nwanyị ọma ọ lụtara.
ụgbọ ala o bu lọta, Leen
o zubere ọ ga-emere ụn
obodo anyị. Ibe anyị ntị g
otu ahụ e ji ya eche mmiri
ji gwa unu na-agwasikw
ọzọ na-asị onye hụrụ ihe
meere ya nwoke, meere y
meere okenye, meere nwa
obi n'ụlọ, meere nwa ngw
ọ dịghị onye ma echi. Ụwa
Ndewonụ.

*Ndị ọzọ:* Ndewoo! I meela. I kwutere ya.

*Ụmụnwanyị:* Hei! Hei! he, he he hee he!

*Amadi:* Enweghị m ọtụtụ okwu. Amaghịkwanụ m ihe m ga-ekwu ma aga m arịọ ọha na eze nọ n'ebe a sị, ka ụfọ ji fọ ka ụfọ aba ala fọkwa. Ya ruo otu mgbe a echi ka anyị dum zukọọkwa n'uju karịa otu a, ka anyị wee rie ego nke nwatakịrị a nyere anyị Ibe anyị ọ dikwa mma otu ahụ?

*Ndị ọzọ:* Ọ dị mma. Ka ọ dịwa. Ka e mesịa ( Ha wee lakee) . ( Mgbe chi bọrọ, oge ruru, mmadụ nile bịara n'igwe ma ndị nwoke ma ndị nwanyị) .

*Amadi:* Ibe anyị na-abịala, Ndewonụ, Ikwu na ibe mma mma nụọ.

*Ndị ọzọ:* Ndewoo. Mma mma!

*Amadi:* Dị ka m kwuru ụnyahụ, ụka a kpara akpa, e ji isi ekwe ya. Omee ọkaa, ihe anaghị aghọ ya. Anyị ga-echeretụ ka ndị gara ibute mmanya bata.

*Otu nwoke:* Ọ dị mma. A na-achị ọsọ aracha mkpụrụ aka, a ga-afaba ya n'elu?

*Akụbueze:* Ọ bụ ihe mere eme.



*Ndị bụ mmanya:* Unu anọọla e!

*Ndị ọzọ:* Unu alọla. Nnọọnụ.

*Otu na ndị bụ mmanya:* Mmanya nke taa siri ike ghịkwanụ n'oge n'ihi ọrụ

*Akụbueze:* Unu emeela wee lọtadị ug mmanya taa anaghị aba n

*Amadi:* Ụmụnna kwenụ!
*Ọha:* Haa!
*Amadi:* Rienụ,
*Ọha:* Haa!
*Amadi:* Kwezuonụ,
*Ọha:* Haa!
*Amadi:* Ụmụnna a nke a bụnụ ọjị Unu ahụkwalanụ mmany ndị ọzọ dịchakwa n'ebe a

*Akụbueze:* Anwụchula. I meela.
*Ndị ọzọ:* I meela o. Ndeewo.
*Otu nwoke:* Nna anyị Akụbueze leenu
*Akụbueze:* Ndeewo, nwa m, ahụla m nwata ihe ka ya, ya ajụw onye nwe?
Otu ọ bụla o si dị, a ga-er otu e si eme ya. ọkụ a gụn anaghị ahụgbu ya.

*Ndị ọzọ:* Mezie ya, mezie ya.

Ọ bụ ya meziwe.

*Akụbueze:* ( Wee buru ọkwa ọjị were otu mkpụrụ ọjị welie ya elu na-agọzi)
Nna anyị ha bịanụ taa ọjị.
Ndụ anyị na nke ụmụ anyị

*Ndị ọzọ:* Ise!

*Akụbueze:* Ndu ikwu na ibe anyị

*Ndị ọzọ:* Ise!

*Akụbueze:* Onye sị anyị dịrị ya dịrịkwa o!

*Ndị ọzọ* Ise!

*Akụbueze:* Onye na-eme ihe ọma, Ihe ọma sokwa ya o!

*Ndị ọzọ!* Ise!

*Akụbueze:* Onye na emekwanụ ihe ọjọọ, ihe ọjọọ kpọkwa ya ihu!

*Ndị ọzọ:* Ise!

*Akụbueze:* Nwata sọpụrụ okenye, okenye eru ya aka!

*Ndị ọzọ:* Ise!

*Akụbueze:* Ka ebe ọjị a sị puta ya baghachi



mmaji kwuru mmaji.

Anyị ga-adinuo.

*Ndị ọzọ:* Ise o o! Anyị ga-adị.

( E wee waa ọjị bido ta
mmanya na-añụ na-ete eg
a) ñụkatara, Amadi ebil
wee kwuo okwu) .

*Amadi:* Taa, Igbo kwenụo
*Oha:* Haa!
*Amadi:* Kwenụ,
*Oha:* Haa!
*Amadi:* Kwezuonụ:
*Oha:* Haa!
*Amadi:* Haa!

Ụmụnna m, na ndị nwe
m kelee unụ ma nọrọk
unu nile kelee nwanne
Ụwadịegwu na oriakụ ya
ha okwu ntakịrị.

Ọ toro m uto nke u
nwanne m nwoke a l
hụkwanụ na ọ bụ
Ekeleere m Ọbasị dị
Chineke anyị na-ekpere
anyị ha, na ọ nwụghị n'e

O wutere m nke ukwu na anyị ji usu na nramahụ wee richie anya, ṅuchie anya. Echere m na ọ gagbaghara anyị ihe nile gara aga, ya bụ ihe ọjọọ nile mụ na nwanyị m mere ya. Ọ na-ewute anyị ugbu a. Biko ọha na eze ka unu rịọ ya ka ọ gbaghara anyị. Ka ọ ha otu ahụ.

*Ụlụmma:* Biko, leenụ ikpere m, leekwanụ ihu m n'ala ( O chee Ụwadịegwu ihu naasị) . Biko nwa m, egbula m, atala m ma chefuo ihe nile m mere gị. Ọkụkọ sị ka ihe gara aga bụrụ ihe gara aga. Biko gbaghara anyị ihe ọjọọ nile anyị mere gị nke ka nke, nke mụ onwe m mere, chee na m naemegide gị.

*Uwadịegwu:* O zuola, Ọ dịla mma, nne m ukwu na nwanne m nwoke. Ụmụnna m unu emeela n'ịbịa ugbu a wee za oku a kpọrọ unu. Ekelekwara m unu nile n'ihe ọma nile unu kwuru n'ihi m unyahụ. Ana m ekwekwa unu nile nkwa na ọ dị ihe ọ bụla m nwere ike imere onye ọ bụla, aghaghị m ime ya site n'enyemaka Ọbasị bi n'elu. Ndewonụ.

*Oha:* Ndewoo.



*Ụmụnwanyị:* Hei, hei, he, he, he, hei, he!

*Akubueze:* Ị meela nwa m! Ị meela. Okwu ọma dị otu a ekwesịghị ọsịsa. Onye na uche ya. Ma asị m ka m rịọ gị, nwa m maka ihe Amadị nwanna gị nwoke na nwunye ya kwuru n'ihi na nna anyị ha tụrụ ilu sị: Na ire ọma ka ejula ji aga n'ogwu. Otu aka ahụ kwa, Okwu ọma na-eme ka ọnụma laa azụ. Gbaghara ha, nwa m, n'ihi na mgbaghara na-ebute mgbaghara. Ihe ọma na-eso ibe ya. Ị nụla nwa m? Ejị m obi ọma na ihu ọcha na anya okenye gwa gị ihe ndị a. Ka ọ ha otu ahụ. Ibe anyị, ọ bụkwa ya?

*Ndị ozọ:* Ọ bụ ya o, Ị kwuola ya.

*Ụwadịegwu.* Umunna m na nna m ukwu. Akụbueze, anụla m ihe ị kwuru, Ọ dịghị obi ọjọọ ọzọ dị m, ọ dịghị ihu mgbarụ ọzọ dị m. Ejịkwa m obi ọcha na ihu ọcha nara ihe nile unu kwuru. Ka Chukwu jizie aka ya mezuo ihe nile. Unu emeela. Ndewonụ.

*Amadị na Ụlụmma:* Ndị umụnna anyị unu emeela. Nwa anyị Ụwadịegwu na oriaku ya unu emeela. Anyị anụla olu unu nile.

Site taa gaba n'ihu, ọ ga-abụziri anyị egwu nne na nwa, onye dara ibe ya onye dara ibe ya. Unu anwụla.

*Ọringaọhụrụọkụ:* Ndị bịara n'ebe a, ekelee m unu o. Unu ahụla otu ụwa si wee tụgharịa. Ihe e kwuru n'ojiije ubi abụghịkwa ihe e kwuru n'ọlịla ya. Babinton Dọglas Nwokoro Ụwadịegwu bụ nwa ngwii mara ihe.

O pụru eze, ma ọ tagbụghị onye zụrụ ya. Ha megburu ya ma ọ kpọbatara ha n'obi ụtọ; wuoro ha ụlọ, nye ha nri na akwa, zụọ ụmụ ha. Ya bụ, nwoke na nwanyị nọ ebe a, mgbe ọ bụla ị hụrụ nwa ngwii, jisie ike kpọbata ya.

Kwuoro ya okwu ọma, nye ya mmiri, nye ya nri, lezie ya anya n'ihi na ọ bụ a zụpụtaghị nwa ngwii nke ọma n'ụzọ kwesịrị ekwesị mere e ji asị na nwa ngwii puo eze ya atagbuo onye zụrụ ya.

Ụwa kọrọnụ akụkọ Ụwadịegwu gaba:

Mmadụ nile nọ n'egwuriegwu zukọọ:

Ha nile ekelee site n'ihulata ihu.

Mmadụ nile wee kwebe ukwe a



na-akụkwa egwu)
Nwa enwe nne, Une!
Nwa enwe nne, Une!
Nwa enwe nne, Une!
Ahụshiela m anya, Une!
E jebe nkụ, Une!
A kpọpụta nwa enwe nne, une!
E jebe mmiri, Une!
A kpọpụta nwa enwe nne, Une!
E jebe ọrụ, Une!
E dupụta nwa enwe nne, Une!
E sibe nri, Une!
E dunye nwa enwe nne, Une!
E sighee nri, Une!
A chụpụ nwa enwe nne, Une!
Nwa enwe nne, Une, ololoo!
Ahụshiela m anya!

Egwu wee kwụsị
( Ọkụ wee nyụsịa)
Ọ gwụ.